# Odide Igbo na Ngwa Mkparịta na Nzirịtaozi Ọha Dịka Ọdụm̀gbàliākwụ na Nchekwa Asụsụ Igbo

*Iwu Ikwubuzo*

*University of Lagos, Nigeria*

## Mkpọlite

Ihe gbasara aka mgba ọnwụ na-echere asụsụ mba ụwa ụfọdụ bụ okwu a kpụ n'ọnụ ihe karịrịla afọ iri atọ. Ọ bụ Ohiri-Aniche kwupụtara ya na "Ọnwụ asụsụ bụ ihe egwu nye asụsụ ndị mpakala ụwa dị icheiche."[1] Iji kwado okwu ya, ọ rụtụkwara aka n'ihe Krauss (1992) kwuru na "n'ime asụsụ ụwa ugbu a nke ọnụọgụ ha bụ ihe dịka 6,000, naanị 10% ga-adị ndụ, wee banye na Senchuri nke iri abụọ na abụọ (22nd Century)."[2] Ohiri-Aniche gara n'ihu kwuo na "A bịa n'ala anyị Naịjirịa, ọtụtụ asụsụ ala anyị nọ n'ọnụ ọnwụ, tụmadị asụsụ ndị na-enweghị ọtụtụ ndị na-asụ ha…."[3] Michael Ukonu, Ignatius Edogor na Mercy Ezugwu chetakwaara anyị ihe UNESCO mara mbembe (bùrù amụma) ya na 2012, nke Uwechia (2016) rụtụrụ aka, na "ọtụtụ asụsụ Afrịka nwere ike ịnwụ pịịị n'afọ 2050 ma ọ bụrụ na e nweghị ihe e mere ịtụgharị ihu etu ihe si aga."[4] Taa, ụfọdụ mmadụ ahụla asụsụ Igbo dịka otu n'asụsụ ndị ahụ na-enwe eyimegwu ọnwụnwụ, ebe

---

[1] Chinyere Ohiri-Aniche, "Nnyefega Asusu Igbo n'Aka Umuaka," in *Udezuiuigbo A Festscrift in Honour of Sam Uzochukwu*, eds. Iwu Ikwubuzo, Chinyere Ohiri-Aniche and Chigozie Nnabuihe (Lagos: Department of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos, 2008), 148-163.

[2] Ibid.

[3] Ibid.

[4] Michael.O.Ukonu, Ignatius Edogor, & Mercy Ezugwu, "Applications of the Social Media in the Promotion of Indigenous Languages among Staff and Students of Selected Nigerian Universities" http://oer.unn.edu.ng/read/applications-of-social-media-in-the-promotion-of-indigenous-languages-among-staff-and-students-of-selected-nigerian-universities-vol-21-no-1-2017/file.pdf: 96.

ndị ọzọ na-atụ egwu na asụsụ Igbo esonyela esonye n'otu asụsụ mba ụwa ndị ọnwụ na-echere aka mgba, nke na o nwere ike ịnwụ pịịị oge adịghị anya n'ọdịnihu.

E kwuola, deekwa ọtụtụ ihe gbasara mkpa ọ dị ichekwa asụsụ Igbo, na ihentụfu ga-adị ma a hapụ ime ya (hụ Ohiri-Aniche, 2001[5], 2011[6]; Nwadike[7]; Madubuike[8]; Ikwubuzo[9]). Ọtụtụ mmadụ ga-ekwenyere Ọhịrị-Anịche na "N'oge a na-agba mbọ ichekwa ọbụnadị ihendịnachi kachasị nta na gburugburu anyị, ọ bụ ihe e kwesịghị ịgbaghara mmadụ ma ọ bụrụ na anyị tụfuo asụsụ anyị dịrịla kemgbe ọtụtụ puku afọ."[10] N'ihi nke a, na mbọ a na-agba ka asụsụ Igbo ghara ịnwụ, ihe a na-arụtụkarịsi aka ike mgbe niile - n'ọgbakọ ndị ọkaakwụkwọ Amụmamụ Igbo, n'edemede jọnaal, n'akwụkwọ ntaakụkọ, na mkparịtaụka mmadụ na ibe ya - bụ ka a na-eji asụsụ Igbo eme ihe, ọkachasị, ịsụ ya asụ. A na-eme ntụpụta dị icheiche, enyekwa agbamume nke na-abụkarị: "sụwa Igbo", "sụwara nwa gị Igbo". N'ihe niile, a naghị etịnyekewe ọnụ n'ihe gbasara odide Igbo dịka a na-ekwu gbasara ọsụsụ ya. Mana n'oge ugbu a, okwu agafela n'ihe gbasara naanị ọsụsụ Igbo banye na ntute mmasị n'odide ya. E jikwa ngwa mkparịta na nzisarịtaozi ọha (soshịal

[5] Chinyere Ohiri-Aniche, "Nigerian Languages in the 21st Century: What Vision," in *Advances in African Languages, Literatures and Cultures*, eds. C. Ogbulogo, P. Ezikeojiaku and O. Alaba (Lagos: Sam Orient Publishers, 2001, 61-75.

[6] Ohiri-Aniche, "A Lexicostatistical Study of Igbo Speech Varieties: Implications for Igbo Identity," in *Against All Odds the Igbo Experience in Postcolonial Nigeria*, eds. A. Nwauwa and C. Korieh (Glassboro, New Jersey: Goldline and Jacobs Publishing, 2011), 435-448

[7] Inno Nwadike, "Igbo Language and Culture: Whither Bound?" in *Chief (Dr.) F. C. Ogbalu Memorial Lectures*, 1&3, ed. R. N. Umeasiegbu (Awka: Varsity Publishing Co. Ltd in Association with Nnamdi Azikiwe University, 2008).

[8] Ihechukwu Madubuike, "The Igbo Language in the Twenty-first Century, in *Against All Odds the Igbo Experience in Postcolonial Nigeria*, eds. A. Nwauwa and C. Korieh (Glassboro, New Jersey: Goldline and Jacobs Publishing, 2011), 419-434.

[9] Iwu Ikwubuzo, "Enculturating the Diasporic Igbo Child," *Ofo: Journal of Transatlantic Studies, 2(1)* (Ohio: Bowling Green State University, Bowling Green, 2012), 65-88.

[10] Ohiri-Aniche, "Nigerian Languages in the 21st Century: What Vision," in *Advances in African Languages, Literatures and Cultures*, 66.

midịa) agbasa oziọma agbamume na nkwado ndị Igbo iji asụsụ ha eme ihe, Mmasị ọhụrụ a na-egosi n'odide Igbo ga-enye aka ịkwalite mbọ nchekwa asụsụ Igbo, wepụ maọbu wetuo àlà, eyimegwu ọnwụ ya bụ asụsụ ụfọdụ mmadụ na-ekwu maka ya.

## Nkwupụta Mkpa E Nwere

Asụsụ e ji edekarị ihe na ngwa amaozi ọha dị icheiche e nwere taa bụ asụsụ Bekee. N'ihi ike mmetụta na mgbasà ngwa amaozi ọha nwere, nke na-etowanye kwa ụbọchị, mmasị odide Igbo ndị mmadụ maliterela igosi ugbu a n'amaozi ọha ndị a bụ ihe nwere ike ịrụ ọrụ dịka ọdụ̀mgbàliākwụ (catalyst) na mbọ nchekwa ya bụ asụsụ n'afọ 2020 gawa. Mana dịka ọ dị n'asụsụ nne (olunne) ala Naịjirịa ndị ọzọ, ọ bụghị mmadụ niile na-asụ Ịgbo nwere ike ide ya nke ọma. Ụfọdụ mmadụ na-agbalị ike ha ide ya bụ asụsụ na-enwetụ nhịahụ n'ihi amachaghị tịịtịị rịịrịị dị n'ideta Igbo etu o kwesịrị. Ọ dị nnukwu mkpa ịgbazi ndị mmadụ olu gbasara ụzọ a ga-esi gbanahụ nhịahụ ụfọdụ a na-enwe n'odide Igbo, mee ka asụsụ Igbo kwụsie ike na mbata ya n'amaozi mkparita na nzisarịtaozi ọha. Nke a bụ ihe pepa a chọrọ ime, nke ga-abụ ntụkwasa ihe ọhụrụ na mbọ a na-agbarịị ichekwa asụsụ Igbo n'ihi na anyị kwenyere na odide Igbo dị mkpa ka ọsụsụ ya.

## Mbunuche

Mbunuche pepa a bụ:

(i) igosi na ngwa mkparịta na nzisarịtaozi ọha abụrụla ngwaọrụ na mbọ ịkwalite asụsụ na omenala Igbo, gosikwa ogo iji asụsụ eme ihe na ya nọ;

(ii) ịgba n'anwụ ebe nhịahụ ụfọdụ mmadụ na-ede Igbo na ngwa mkparita na nzisarịtaozi ọha na-enwe n'ọdịde Igbo, dịka a na-ahụ n'amaozi ndị ahụ e jị naanị asụsụ Ịgbọ eme ịhe na ha; na

(iii) ịtụzi aka site n'ịkọwapụta ihe ụfọdụ mmadụ kwesịrị ịma maka ndezi Igbo.

## Usoro Nnweta Njiede

N'ọrụ nchọcha a nke gbasoro Usoro Nchọcha Nkọwasị, anyị weere ederede ọlenaọle n'amaọzị *Ụwandịigbo* na *Igboanwụna* iji gosi ebe nhịahụ ụfọdụ a na-enwe n'odide Igbo nke ga-enye aka ịkọwa ka e si edezi ihe ndị ahụ n'ọdịnihu.

## Ntọsasị Isiokwu

**Asụsụ Igbo na Ngwa Mkparịta na Nzikọrịtaozi Ọha (Igbo Language in the Social Media)**

Ngwa mkparịta na nzikọrịtaozi ọha ewetala mgbanwo pụtara ìhè n'ụzọ nzimozi na mgbasaozi n'ụwaọtụọgbe a nọ taa. Rukya Hassen[11] n'ịrụtụ aka n'edemede Barnett na Rosen (2007), gbara n'anwụ ọnọdụ asụsụ ndị e ji eme ihe na nzimozi ịntaneti. Ọ sịrị na ọnụọgụ ndị ji asụsụ Bekee eme ihe ọnlaịn dị 35.6%, asụsụ Yuropu 34.9%, ebe ndị ji asụsụ Eshịa eme ihe dị 29.4%. Ọ sịrị na nke a na-egosi na ihe karịrị 70% bụ ndị ji asụsụ Bekee maọbụ asụsụ Yuropu ndị ọzọ eme ihe n'ọnlaịn, nke na-akọwa na asụsụ mba ụwa ndị mepere emepe kacha n'asụsụ ndị e ji emekarị ihe ọnlain. Ukonu, Edogor na Ezugwu kwadoro nkọwa na a na-ejikewe asụsụ Bekee eme ihe n'amaozi.[12] Edemede ha kpọsịtara aha ndị ọkaakwụkwọ kwetara na ngwa amaozi ọha dịnọọ mma iji akwalite asụsụ olunne n'ihi mfe na ọnụala ọ dịịrị mmadụ ịbanye na ha. Ha kọwakwara na ndị ji ngwa amaozi ọha eme ihe na-atụle ohere o nyere iji ya akwalite asụsụ ndị ahụ e chere na ịnwụ pịịị na-eyi egwu.

---

[11]Hassen, R. "The Role of Media in Promoting Indigenous Cultural Values: Critical Discourse Analysis" in *New Media Communication* (Online), Vol.51, 2016, 41.

[12] Ukonu, Edogor, & Ezugwu, ibid., 92.

N'ọrụ nchọcha Hassen, ọ kpọtụghị asụsụ ndị Afrịka aha nke gosiri na e leghị anya, odide asụsụ olunne ndị Afrịka esoghi na ndị o lebara anya maọbụ na a naghị ahụkebe ha n'asụsụ ndi e ji eme ihe ọnlaịn. Anyị chere na iji ha eme ihe nwere ike dị ala mana ọ bụghị na a chọọ a gaghị ahụ. Ọ bụ eziokwu na ọ ka na-etolite etolite mana mbata na odide asụsụ Igbo na ngwa mkparịta na nzikọrịtaozi ọha bụ akaebē na asụsụ Igbo Afrịka esonyela, na-enyekwa aka na mbọ iwelite na ichekwa asụsụ na omenala Igbo.

Ndị mmadụ kwụụrụ ọnwe ha na òtù dịgasị icheiche ehiwela amaozi mkparịtaụka ọha ebe e ji naanị asụsụ Igbo akpa isiokwu dị icheiche nke bụcha ụzọ e si na-agba ndị Igbo ume ka a na-eji asụsụ Igbo eme ihe. Site na ngwa amaozi ọha ndị a (dịka *Ụwandịigbọ*), ndị mmadụ na-atụpụta isiokwu ọbụla metụtara asụsụ na omenala Igbo, kwuo uche ha, zipụ ma kesarịtakwa n'etiti onwe ha. Nke a na-egosi mmasị ọhụrụ na mbọ nkwalite asụsụ Igbo, n'agbanyeghị akamgba dị icheiche chere ya bụ asụsụ.

## Odide Igbo A Na-Ahụ na Ngwa Mkparịta na Nzikọrịtaozi Ọha

E nwere ụdị amaozi abụọ: (i) ndị e ji sọọsọ Igbo ede ihe na ha, dịka *Ụwandịigbo* na *Igboanwụna,* na (ii) ndị odide ihe na ha na-gwakọta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee, dịka *Igbo Scholars Forum* Nig., *LAAS (Igbo Unit) Unilag*, na *Asụsụ Igbo Amaka nke Atọ*.

E nwere ike ịgbado ụkwụ n'ụzọ ndị a mee nkenụdị odide Igbo a na-ahụ na ngwa amaozi ọha:

1 (a) Odide Igbo ndị bụ ị̀gbà, ya bụ, ebe e dere Igbo ọfụma, na (b) Odide Igbo ebe e a na-ahụ ndehie/ndejọ.

2 (a) Odide Igbo na ngwa amaozi nke ndịòtù amaozi ahụ ji aka ha dee.

(b) Odide Igbo/Nzisa ozi ndị e si n'ezi webata, mado, nke gụnyere ozimbutù/ozimbudà (download) ọgụụ nwere ike imeghe, nke ndịòtù edeghị n'onwe ha, ma soro ndị mmadụ na-eme nkesarịta ha n'amaozi.

## Nchekwa Asụsụ Igbo: Ngwa Mkparịta na Nzikọrịtaozi Ọha Dịka Ọdụm̀gbàliākwụ̄

Dịka anyị rụtụrụ aka na mgbago, n'ama mkparịta na nzisarịtaozi ọha e nwere taa, mmasị ọhụrụ a na-egosi n'ịkwado iji Igbo eme ihe agbasaghịzi naanị ọsụsụ ya; e gosikwala mmasị n'odide ya. Nke a kpatara na ọtụtụ ozi a na-agbasa taa n'amaozi ọha dị ịcheịche bụ n'asụsụ Igbo ka a na-ede ha. N'ihi ya, anyị agaghị ekwuwe maka nchekwa asụsụ Igbo n'afọ 2020 gawa hapụ ikwu maka odịde ya n'ihi mkpa ọ dị, na ọrụ ya dịka ọdụm̀gbàliākwụ̄ (catalyst) na nchekwa ya bụ asụsụ. *Ụwandịigbo* bụ ọmụmaatụ ama mkparịta na nzisarịtaozi ọha ji amsaịba ya, Fesbuuku na Ngwaese ya akwalite asụsụ na omenala Igbo. N'ịkwado odide Ịgbo, e mesiri ya ike ka ọ bụrụ sọọsọ n'olu Igbo ka a ga-ede ihe niile na Ngwaese *Ụwandịigbo*; otu n'ime iwu na-achị ndịòtù abụrụ: "I dee na Bekee, e wepụ gị!" N'ụzọ dị etu a, omenala odide Igbo na ngwa mkparịta na nzisarịtaozi ọha abụrụla otu ụzọ e sị akwalite nchekwa asụsụ Igbo.

## Ụfọdụ Ebe a na-enwekarị Nhịahụ n'Odide Igbo

N'edemede Igbo, ụfọdụ ebe a chọpụtarala a na-enwe nhịahụ gụnyere odide

(i) ụdaimi 'm' na 'n' dịka mgbochiume na myiriudaume,

(ii) nnọchiaha i, ị, o, ọ na a/e;

(iii) nnyemaka ngwaa 'ga-', 'na-'; mbuuzo 'n'/ na'; nakwa

(iv) ntinye ntụpọ n'okpuru ụdaume mfe na n'elu mkpụrụedemede 'ṅ'.

Nkebite ederede ndị na-esonu e siri n'amaozi Ngwaese (WhatSapp platform) weta bụ ọmụmaatụ nnukwu mbọ a na-agba n'odide Igbo na ngwa mkparịta na nzisarịtaozi oha. Mana a hụrụ ndehie ụfọdụ metụtara (i) - (iv) e depụtara n'elu (anyị makwa ndehie ụfọdụ nwere ike si na mpihie aka n'ekwentị maọbụ kọmputa):

(i)


Kedụ ihe bụ Igboanwụna?
Nwanne Biko agam asi ka ijiri nwayo na iwepu ndi anayo ka ha soro bulie asusu Igbo. Otutu ndi Igbo amaghi asu asusu anyi. Ha nile kwesiri inyere aka
15:22

(ii)


Ndi Panpiec,amam na obughi oru ka ha na acho. Maka na ala Igbo taa.onwwghi onye eziokwu no na ihe ndoro ndoro ochichi,ndi ukochukwu jizi ndi mmadu agbazuru ego ha ji eme imakwa,ndi anyi wu.
07:03

(iii)


Maka Ndị Batara Ọhụrụ
Ọ bụrụ na ị batara ọhụrụ n'Ụwandịigbo, anyị na-asị gị nnọọ. Biko jee n'amasaịba anyị ka ị gụọ iwu anyị. Anyị ejighi iwu ndị a achị. ...
Ndewonụ ụmụnne m. Nke onye chịrị, ya zerekwanụ o. Nwannem nwoke Ejike, anam ekele. Enwere ike ịkọtazighi onye mbụ, mana mụ na gi kpara na oge na eteghi aka. Ọbụ ezigbo dim, bụrụkwa onye nji eme ọnụ bụ Mazi Duru, gwaram maka ọgbakọ a.
Ya gazie nụ o.

(iv)


Nnaa Felix, ị gụkwara ihe Ọkammụta Emma dere nkeọma kaọbụ na i ji ụjọ were na-azaghachi ya. Ọ gbaziri gị olu mana **ọ zaghị ajụjụ gị.**
Ị jụrụ: *Bikonu gini ka anakpo Chief na asusu Igbo?...*
Daalu nwannem nwoke Amalinze.
Eeeeye agurum osisa Okammuta Emma nyere ma emekwara m ka o mata na o-zaghi m ajujum.
Ma ugbua enwetalam osisa kowarala m ajujum.
Ndewo nwannem maka onyinye aka gi.
Otu n'ihe ndi kpatra m ji bata na otu Uwandiigbo bu kam mutazie asusum bu Igbo nke oma karia ka m mabu tupu ugbua. Bikonu umunna m ndiugbo ibem obi ganato m uto ma oburu na m deghie ma obu suhie asusu anyi ka enwee onye nduzi ga enyere m aka kuzierem ka esi ekwzi ya ma obu ekwuzi ya.
Ndewonu oo.
19:12

Tupu anyị eleba anya na ndehie ndị dị n'ọmụmaatụ ndị a anyị wepụtara, ka anyị burugodu ụzọ nye nkọwa gbasara ụfọdụ ebe ndị ahụ a rụtụrụ aka na mgbago a na-enwe nhịahụ n'odide Igbo.

**Odide 'M' na 'N' dịka Ụdaimī na Myiriụdaume**

Ebe a na-ewebata 'm' na 'n' n'okwu bụ otu ihe na-enyekarị ụmụakwụkwọ mgbagwojuanya n'odide Igbo. N'Igbo e nwere **'m'** na **'n'** dịka ụdaimi nke bụ **mgbochiume ụkpọrọ** (nasal consonant) (ụdaimi ndi ọzọ bụ "**nw**", "**ny**" na "**ṅ**"); nweekwa **'m'** na **'n'** dịka **m̀yìrìụ̀dàumē** (semi-vowels) ebe ha bu ụ̀dàolu (bear tone), bụrụkwa nkejiokwu n'onwe ha (syllabic nasals). N'ọnọdụ a, 'm' na 'n' yìrì ụ̀dàumē mana ha abụghị ụdaume. Anyị maara na ụdaume Igbo dị asatọ agụnyeghị ha. N'odide Igbo, anaghị etinye akara ụdaolu na 'm' na 'n' dịka mgbochiume ụkpọrọ (ụdaimi) mana a na-etinye akara udaolu na 'm' maọbụ 'n' dịka m̀yìrìụ̀dàumē. Ụfọdụ mmadụ na-etinye 'm' n'ebe 'n' kwesịrị ịdị maọbụ tinye 'n' ebe 'm' kwesịrị ịdị. Ihe na-ebute mgbagwojuanya a mgbe ụfọdụ bụ na e nwere ka ụda abụọ ndị a si yitụ onwe ha.

N'ọmụmụ fonetiikisi, e nwere mkpụrụụda ndị a na-akpọ mkpọnegbụgbere abụọ (kèegbùgbe(re) abụọ) (bilabials) n'ihi na ebe mkpọpụta ha bụ n'egbugbereọṅụ mmadụ - site na mbịakọtaọnụ nke egbugbereọnụ ala na egbụgbereọnụ elu. Mkpọnegbugbere ndị e nwere bụ: *b, gb, m, kp na p*. E nwekwara mkpụrụụda ndị a na-akpọ mkpọnegbugbere na eze (kèegbùgbe(re) na eze) (labio-dentals) n'ihi na ebe mkpọpụta ha bụ n'egbugbereọnụ na eze mmadụ. Ya bụ, a na-akpọpụta ụda ndị a site na mbịakọtaọnụ nke egbugbereọnụ ala na eze elu. Mkpụrụụda ndị a bụ *f na v*. N'otu aka ahụ, e nwere ụdị mkpụrụụda ọzọ a na-akpọ ụdayịị (ụdawayị): *w na y*. Aha a gbadoro ụkwụ n'ụdịdị mkpọpụta ụda ndị a.

Ugbua, anyị amarala mkpụrụedemede maọbụ mkpụrụụda ndị a na-akpọ mkpọnegbugbere, mkpọnegbugbere na eze na ụdayịị. Ha niile bụcha mgbochiume Igbo. O kwesịrị ịrụtụsiri onye

na-ede Igbo aka ike n'ihe ga-ewepụrụ ya mgbagwojuanya n'odide 'm' na 'n'; mee ka ọ mara na nke ọbụla n'ime myiriụdaume abụọ ndị a nwere ụdị ụdaasụsụ nwere ike isote ya na mkpụrụokwu.

### Odide 'M' dịka Ụdaimi na M̀yìrìụ̀dàumē

N'okwu Igbo ọbụla m̀yìrìụ̀dàumē ("m" maọbụ "n") malitere, ọ bụ ***m*** ka a na-ebụtewe ụzọ tupu e dee mgbochiume ndị anyị kọwara dịka mkpọnegbugbere, mkpọnegbugbere na eze na ụdayịị.

Ọmụmaatụ:

*m̀*-ba → m̀ba
*m*-gba → m̀gba
*m*-kpu → ḿkpú
*m*-ma → mmā
*m*-pụ → mpụ

(*m̀*-ba … *m*-pụ): **m** + mkpọnegbugbere ***(b, gb, m, kp na p)***

*m*-fe → m̀fe
*m*-vọ → ḿvọ́ (olundị maka ḿbọ́)

(*m*-fe … *m*-vọ): **m** + mkpọneghugbere na eze ***(f na v)***

*m*-wute → mwùte
*m*-yọrị → myọ̀rị

(*m*-wute, *m*-yọrị): **m** + ụdayịị (***w*** *na* ***y***)

N'ọmụmaatụ ***ḿ*-mā** na mgbago, *m* nke abụọ, **-m**a, bụ mgbochiume ụkpọrọ (ya bụ, ụdaimi) ya na ụdaume so. N'ihi na ọ bụ mgbochiume, o bughị ụdaolu.

### Odide 'N' dịka Ụdaimi na M̀yìrìụ̀dàumē

E wepụ mgbochiume ndị bụ mkpọnegbugbere, mkpọnegbugbere na eze, na ụdayịị, ***n*** na-ebute mgbochiume Igbo ndị ọzọ e nwere ụzọ n'okwu. Mgbochiume ndị ọzọ ahụ m̀yìrìụ̀dàumē ***n*** na-ebute ụzọ n'okwu ha dị bụ: ch, d, g, gh, gw, h, j, k, kw, l, n, ṅ, nw, ny, r, s, sh, t na z.

Ọmụmaatụ okwu ndị ji m̀yìrìụ̀dàumē ***n*** malite:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| *n*-cha | → | nchà | *n*-ka | → | ǹkà |
| *n*-dụ | → | ndụ̀ | *n*-kwa | → | nkwà |
| *n*-ga | → | ǹga | *n*-na | → | nnà |

N'ọnọdụ mmalite okwu, ọ na-abụ m̀yìrìụ̀dàumē. I lee anya n'ọmụmaatụ ***ń*-na** na mgbago, dịka ọ dị na ***ḿ*-mā**, *n* nke abụọ, **-n**a, bụ mgbochiume ụkpọrọ (ya bụ, ụdaimi) ya na ụdaume so. N'ihi na ọ bụ mgbochiume, o bughị ụdaolu.

**Odide Mkpụrụedemede ndị bụ Nnọchiaha: m/mụ, i, ị, o, ọ na a/e**

Nsogbu ọzọ ọtụtụ ndi mmadụ na-enwe n'odide Igbo bụ n'ideta nnọchiaha. Nnọchiaha e nwere n'Igbo bụ *m/mụ, gị, i/ị, anyị, ụnụ, o/ọ, ha, ya* na *a/e*. A/E ka a na-akpọ nnọchimpesin n'ihi na ha na-anọchi anya onye maọbụ ihe a kpọghị aha.

**Ndejọ Nnọchiaha**

Nnọchiaha ndị na-aka enye ndị mmadụ, tinyere ụmụakwụkwọ, nsogbụ ide etu o kwesịrị bụ: *i, ị, m, o, ọ,* na *a/e*. Ọtụtụ oge, a na-ahụ ndekọ nnọchiaha ndị a na okwu na-eso ha dịka a ga-asị na ha bụ otu okwu. Lee ọmụmaatụ ndị ahụ na mgbago anyị siri na nkebite ederede si n'amaozi ngwaese weta. Ndehie/ndejọ gbara elu ebe ahụ metụtara ma odide ụfọdụ 'nnọchiaha' ma odide 'na'. Ka anyị lebagodu anya n'odide nnọchiaha.

**Odide/Ntinye Nnọchiaha n'Edemede n'Ụzọ Kwesịrịnụ**

Dịka aha ya si dị, nnọchiaha bụ okwu e ji anọchi anya aha (mkpọaha). Ya bụ, okwu a na-etinye ebe a chọghị ịkpọ mmadụ maọbụ ihe aha ya. A kpọọ mmadụ maọbụ ihe aha na mbụ, kama ịkpọkwa aha ahụ ọzọ ma e kwuwe okwu maka ya, e ji okwu ọzọ nọchie anya ya. Okwu ahụ e ji nọchie onye/ihe a kpọghị aha ka a na-akpọ nnọchiaha.

Ịma atụ, ọ bụrụ na a sị:

i. Obi bịara n'ụlọ m,

'Obi' n'ahịrịokwu a bụ aha maọbụ mkpọaha; mana ọ bụrụ na anyị achọkwaghị ịkpọ 'Obi' aha mgbe anyị na-ekwunwo okwu (i), anyị asị:

ii. <u>Ọ</u> bịara n'ụlọ m.

Anyị lee anya n'ọmụmaatụ (ii) anyị ga-ahụ na **<u>Ọ</u>** kwụụrụ onwe ya dịka **<u>Obi</u>** n'ahịrịokwu (i) kwụkwaara onwe ya. Ihe nke a pụtara bụ na a na-edepụ nnọchiaha ọbụla iche; **a naghị edekọ ya na ngwaa ọbụla ọnụ**. Odide ***a/e*** dịka nnọchimpesin gbara elu n'ọmụmaatụ ndị a:

iii. **<u>A</u>** gwara ya okwu.

iv. **<u>E</u>** gburu ọkụkọ.

I lee anya, ị ga-ahụkwa na a na-edepụ ha iche n'okwu, ya bụ, mgbe ngwaa na-eso ha dịka ọ dị n'ọmụmaatụ e nyere na (iii) na (iv) n'elu. **'A'** nọchiri anya onye gwara okwu na **'E'** nọchiri anya onye/ihe gburu ọkụkọ, bụcha ndị a kpọghị aha. N'ebe ha dị, e nwere ike itinye aha mmadụ maọbụ ihe.

Ọmụmaatụ odide nnọchiaha n'ahịrịokwu Igbo ndị ọzọ bụ:

i. **<u>Mụ</u>** na **<u>gị</u>** bụ ụmụnne.

ii. **<u>I</u>** kwenyere n'ihe **<u>o</u>** kwuru mgbe **<u>anyị</u>** gara n'ụlọ **<u>ha</u>**?

iii. <u>Ọ</u> gwara **<u>m</u>** gaa chọwa ebe **<u>ị</u>** nọ.

v. Ihe **<u>e</u>** kwuru na nzukọ ka **<u>a</u>** gwara **<u>ya</u>**.

**Odide Na, Na-, N', Ga na Ga-**

**Na**

N'asụsụ Igbo, ***na*** na-arụ ọrụ dị icheiche n'ahịrịokwu. Nke a na-eme ka odide ya dịwagakwa icheiche na-agbagwojukwa ọtụtụ mmadụ anya. Otu ihe na-akpata ndehie a na-enwe n'odide '**na'** bụ na ụfọdụ mmadụ amaghị na mkpụrụokwu a na-arụ ọrụ dị icheiche n'ụtọasụsụ Igbo, nakwa na etu e si ede ya na-adị iche dịka ọrụ ọ na-arụ si dị. N'ahịrịokwu Igbo, *'na'* nwere ike ịrụ ọrụ dịka nnyemaka ngwaa, mbuụzọ, njikọ, isingwaa, dgz.

**Odide 'Na' dịka Nnyemaka Ngwaa**

Mgbe **'na'** na-arụ ọrụ dịka nnyemaka ngwaa, a na-eji akarauhie **(-)** ejikọ ya na mmekangwaa ọ na-enyere aka iji kwụzuo ka ngwaa dịka ọ dị n'ahịrịokwu a:

1. Ọ **<u>na-abịa</u>** ụbọchị niile.

**Odide '*Na*' na Mgbakwunye maọbụ Nsokwunye**

E nwee okwu ọbụla a gbakwụnyeere nnyemaka ngwaa '*na*', dịka nsokwunye (enclitics) -*kwa*, maọbụ mgbe nnyemaka ngwaa na-egosi njụ na ya, a ga-edekọ okwu ahụ na '*na*' ọnụ etu a:

'nakwa' (na + nsokwunye '*kwa'*),

'naghị'(na + njụ '*ghị'*).

A bịazie na mmekangwaa na-eso nnyemaka ngwaa '*na*' ahụ a gbakwụnyere nsokwunye maọbụ nsonaazụ (suffix) na-ezipụta njụ, a ga-ede ya iche n'etinyeghị akarauhie etu a:

2. Ọ <u>nakwa abịa</u> ụbọchị niile.

3. Ọ <u>naghị eri</u> nri.

A gaghị ede ha etu a:

4. Ọ nakwa-abịa ụbọchị niile*

5. Ọ naghị-eri nri.*

**Odide 'Na' dịka Mbuụzọ**

***Na*** na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ mgbe e ji ya arụtụ aka ebe mmadụ nọ maọbụ ihe dị maọbụ ebe ihe a na-ekwu maka ya na-eme. N'odide ya, ọ na-ebu ụzọ, aha maọbụ mfinitiiv ya na ya na-agakọ ana-eso ya. Mana ọ dị ụzọ ihe abụọ mmadụ ga-ebu n'uche:

(i.) ọ bụrụ **na okwu na-eso 'na' ji mgbochiume maọbụ myiriụdaume bido**, e depụtachaa 'na' n'uju dịka ọ dị n'ọmụmaatụ ndị a:

6. O bi **na** **L**egọọsụ.

7. Ọ lụrụ nwaanyị **na** **N**sụka.

(ii) Ọ bụrụ na **okwu na-eso 'na' ji ụdaume bido**, ma okwu ahụ ọ bụ aha maọbụ mfinitiiv, a na-eji rịkọm elu **(')** anọchite anya '*a*' dị na '*na*' ahụ (**n'**). Iji maa atụ, kama ide

8 (a). 'O bi **na** **A**ba'*, e dee

8 (b) 'O bi **n'A**ba'.

Kama ide

8 (c) '**Na** **ịga** **na** **ihu** **na** **okwu ya**, o kelere mmadụ niile'*; e dee

8 (d) '**N'ị**ga **n'i**hu **n'o**kwu ya, o kelere mmadụ niile'; kama ide

8 (e) '**Na** ihi gịnị?'*, e dee

8 (f) '**N'**ihi gịnị?'

**Odide 'Na' dịka Njikọ**

Mgbe '*na*' na-arụ ọrụ dịka njikọ: ijikọta mkpụrụokwu na mkpụrụokwu, okwu na okwu, aha na aha, nkebiokwu na nkebiokwu, dgz., ọ na-akwụrụ onwe ya n'ahịrịokwu Igbo; a naghị edekọ ya na okwu ọbụla ọnụ; a naghịkwa ewepụ '*a'* dị na ya.

Iji maa atụ,

9. Ego na Nkiru bụ ụmụnne

10. Ndị ukwu na ndị nta

11. Ọ maghị na ọ gara ọrụ.

**Odide 'Ga'**

Ụfọdụ mgbe, ụfọdụ mmadụ na-edehiekwa '*ga*' dịka ha na-eme na '*na*'.

**Odide 'Ga' dịka Nnyemaka Ngwaa**

N'ụtọasụsụ Igbo, **'*ga*'** na-arụkwa ọrụ dịka nnyemaka ngwaa. Mgbe ọ na-arụ ụdị ọrụ a, a na-eji akarauhie **(-)** ejikọ ya na ngwaa ọ na-enyere aka. Ịma atụ.

13. Ọ ga-abịa echi.

E nwee okwu ọbụla a gbakwụnyeere nnyemaka ngwaa '*ga*', dịka nsokwunye maọbụ nsonaazụ na-ezipụta njụ, a ga-edekọ okwu ahụ na '*ga*' ọnụ dịka ọ dị n'ọmụmaatụ a:

14. Ị̀ gàkwà àbịa? (**ga** + nsokwunye '*kwa'*)

15. Ọ̀ gaghị abịa (**ga** + njụ '*ghị'*).

N'ọnọdụ a, a gaghị eji akarauhie ejikọ nnyemaka ngwaa a nwere nsokwunye maọbụ njụ na ngwaa (mmekangwaa) ọ na-enyere aka.

Ịma atụ.

16. Ị̀ gàkwà àbịa echī?

17. Ọ̀ gaghị abịa echi.

Mgbe nnyemaka ngwaa '*ga*' na nnyemaka ngwaa '*na*' na-esote onwe ha n'otu ahịrịokwu, naanị nke nọdebere ngwaa ha na-enyere aka ka e ji akarauhie ejikọ ya na ngwaa (mmekangwaa) ahụ dịka n'ọmụmaatụ a:

18. Ị ga na-eri nri otu ugboro n'ụbọchị.

N'ahịrịokwu (18), '*ga*' na '*na*' bụcha nnyemaka ngwaa na-enyere 'eri' aka mana nke e jiri akarauhie dekọọ ya na 'eri' ọnụ bụ '*na*' nke nọdebere ya.

## Mkpa Ntinye Ntụpọ n'Okwu dị n'Odide Igbo

Ị ga-echeta na ụdaume ndị a na-akpọ ụdaume mfe (òtù A) bucha ntụpọ (akara edemede **kpọm** "**.**") n'okpuru ha. Etinyeghị ntụpọ ndị a n'okwu ebe ha kwesịrị ịdị na-agbanwo mpụtara okwu, na-ebutekwa mgbagwojuanya. Iji maa atụ, mpụtara okwu ndị a nwere ike ịgbanwo site n'itinye maọbụ etinyeghị ntụpọ *kpọm* n'okpuru ụdaume maọbụ n'elu ụdaimi dị na ha:

(i) **ịhụ̄** 'to see' na **ihū** 'to bend',

(ii) **ísị̄** 'to say' na **ísī** 'to cook',

(iii) **ọ̀kụ̀** 'earthenware bowl' na **òkù** 'call' or 'invitation',

(iv) **ụ̀tọ́** 'sweetness' na **ùtó** 'growth', na

(v) **aṅụ̄** 'bee' na **anụ̄** 'cannot hear'.

Lezie ndezi ọmụmaatụ nkebite ederede ndị ahụ si n'amaozi ngwaese e nyere na mgbago:

(i) Nwanne, biko ***aga m*** asi ka ***i jiri*** nwayọọ ***n'iwepụ*** ndị ***a na-ayọ*** (arịọ) ka ha soro bulie asụsụ Igbo…. Ha ***niile*** kwesịrị inyere aka.

(ii) Ndị Panpiec, ***ama m*** na ***ọ*** bụghị ọrụ ka ha ***na-achọ***. Maka ***n'ala*** Igbo taa, ***o*** nweghi onye eziokwu nọ ***n'ihe*** ndọrọndọrọ ọchịchị; ndị ụkọchukwu jizi ndị mmadụ agbazuru ego ha ji eme "***ị*** makwa ndị anyị bụ."

**(**iii**)** ***Ndewo nụ*** ụmụnne m. Nke onye chiri, ya ***zerekwa nụ*** o. ***Nwanne m*** nwoke Ejike, ***ana m*** ekele. E nwere ike ***ị kọtazighị*** onye ***m bụ***, mana mụ na gị kpara ***n'oge na-etebeghị*** aka. ***Ọ bụ*** ezigbo ***di m***, bụrụkwa onye ***m ji*** eme ọnụ bụ Maazi Duru, ***gwara m*** maka ọgbakọ a. Ya gazie nụ o.

(iv) Daalụ ***nwanne m*** nwoke, Amalinze. Eeeeye, ***agụrụ m*** ọsịsa Ọkammụta Emma nyere ma emekwara m ka ọ mata na ***ọ zaghị*** m ***ajụjụ m***. Ma ugbu a, enwetala m ọsịsa kọwarala m ***ajụjụ m***. Ndewo ***nwanne m*** maka onyinye aka gị. Otu n'ihe ndị ***kpatara*** m ji bata ***n'òtu*** Ụwandịigbo bụ ***ka m*** mụtazie ***asụsụ m*** bụ Igbo nke ọma karịa ka mabu tupu ugbu a. ***Biko nụ***, ụmụnna m ***ndị Igbo ibe m***, obi ***ga na-atọ*** m ụtọ ma ***ọ bụrụ*** na m ***dehie maọbụ*** sụhie asụsụ anyị ka ***e nwee*** onyenduzi ***ga-enyere*** m aka ***kuziere m*** ka ***e si*** ekwuzi ya. ***Ndewo nụ oo***.

Ụdị odide Igbo na (i) – (iv) anyị hụburu tupu ndezi ha ebe a nwere ike ibụtere onye na-agụ ya ikeọgwụgwụ na mgbagwojuanya, meekwa ka ọ ghara ịghọtacha echiche dị n'ihe e dere ọsịịsọ.

## Mmechi

Pepa a lebara anya na mbata asụsụ Igbo na ngwa amaọzị ọha nakwa ebe a na-enwekarị nhịahụ n'odide Igbo, nke na-apụtakwa ìhè n'ụfọdụ ederede a na-ahụ na ngwa amaọzị ọha, nyekwazi ọmụmaatụ odide dabara adaba.

Ntolite mmasị n'odide Igbo n'oge a ngwa mkparịta na nzimozi ọha garala n'ogo dijitaal bụ otu ihe ọma merela asụsụ Igbo, nke bụ na a kwadọ ya ka ọ dịgide, ọ ga-enye aka n'ụzọ dị elu n'ịgbanwo echemeche na asụsụ Ịgbo ga-anwụ. E kwuru na otu ụzọ a ga-esi gbochị eyimegwụ ọnwụ asụsụ nke ụfọdụ mmadụ kwenyere so metụta asụsụ Igbo bụ site ịkwado odide ya ụbọchị niile dịka e si akwado ọsụsụ ya, nke ga-esokwa kwalite nchekwa asụsụ Igbo. Nke a ga-adị ire ma

ọ bụrụ na ndị ọkammụta, ọkankuzi ewepụta ngwa nkuzi ga-enyere ụfọdụ ndị na-ede asụsụ Igbo aka ịgbanahụ nhịahụ ha na-enwe, bụrụzie ndị aka kàrà àka n'odide Igbo.

## Edensibịa


Emenanjo, Nolue. *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe.* Ikeja: Longman Nigeria, 1991.

Hassen, Rukuya. "The Role of Media in Promoting Indigenous cultural values: Critical Discourse Analysis." In *New Media Communication* (Online), Vol.51, 2016, 41.

Ikwubuzo, Iwu. "Enculturating the Diasporic Igbo Child." *Ofo: Journal of Transatlantic Studies* 2, no. 1, 2012, 65-88.

Madubuike, Ihechukwu. "The Igbo Language in the Twenty-first Century." In *Against all Odds the Igbo Experience in Postcolonial Nigeria*, edited by A. Nwauwa and C. Korieh, 419-434. Glassboro, New Jersey: Goldline and Jacobs Publishing, 2011.

Nwadike, Inno. "Igbo Language and Culture: Whither Bound?" In *Chief (Dr.) F. C. Ogbalu Memorial Lectures* 1&3, edited by R. N. Umeasiegbu. Awka: Varsity Publishing Co. Ltd in Association with Nnamdi Azikiwe University, 2008.

Ohiri-Aniche, Chinyere. "Nigerian Languages in the 21st Century: What Vision." In *Advances in African Languages, Literatures and Culture*, edited by C. Ogbulogo, P. Ezikeojiaku and O. Alaba, 61-75. Lagos: Sam Orient Publishers, 2001.

Ohiri-Aniche, Chinyere. "Nnyefega Asusu Igbo n'Aka Umuaka." In *Udezuiuigbo: A Festscrift in Honour of Sam Uzochukwu*, edited by Iwu Ikwubuzo, Chinyere Ohiri-Aniche and Chigozie Nnabuihe, 148-163. Lagos: Department of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos, 2008.

Ohiri-Aniche, Chinyere. "A Lexicostatistical Study of Igbo Speech Varieties: Implications for Igbo Identity." In *Against all Odds the Igbo Experience in Postcolonial Nigeria*, edited by A. Nwauwa and C. Korieh, 435-448. Glassboro, New Jersey: Goldline and Jacobs Publishing, 2011.

Ukonu, Michael. Ignatius Edogor and Mercy Ezugwu, "Applications of the Social Media in the Promotion of Indigenous Languages Among Staff and Students of Selected Nigerian Universities." http://oer.unn.edu.ng/read/applications-of-social-media-in-the-promotion-of-indigenous-languages-among-staff-and-students-of-selected-nigerian-universities-vol-21-no-1-2017/file.pdf: